Echiche Ụmụakwụkwọ Mahadum Nsụka Banyere Abụbọ Ọrụ Ndị Otu ASỤỤ na Nkụzi na Ọmụmụ

Ifeyinwa Ebubechineke
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka
08134384482

Ụmị

Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta echiche ụmụakwụkwọ Mahadum Nsụka banyere abụbọ ọrụ ndị Otu ASUU na nkụzi na ọmụmụ. Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ usoro sọvee nkọwa. Ndị njiri mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ niile nọ n'ụlọakwụkwọ, ndị nọ na fakọltị iri na ise, nọ n'afọ ikpeazụ n'ụlọ akwụkwọ mahadum Naijiriạ, Nsụka. Nsere na usoro nsere bụ etu ọmasịrị onye. Ọ gbasoro usoro tụmbọm tụmbọm họrọ ụmụakwụkwọ mmadụ iri anọ na asatọ sitere na fakọltị niile ndị a. Ajụjụ nchọcha abụọ duziri nchọcha a. Ngwa nchọcha bụ nke ọchọcha jiri aka ya mebe bụ ngwa nchọcha 'EỤMNBAỌNOA.'Njụmaza ederede dị iri na ise ka o jiri napụta ha ụsa nke ọ bụ ya jiri aka ya kee ha, maka na ka ehighi nne ọ nọrọ ebe ahụ nakọtakwa ha ya. Eji usoro SPSS vashọn, miin na ndịpu n'izugbe zaa ma tụchaa njụmaza. Usoro Likert ka o jiri mee ntụ mkpebi malite na 2.5 gbagowe bụ nke a nabatara dabara n'echiche ụmụakwụkwọ ebe 2.5 gbadatawa bụ njụ nke adabaghị n'echiche ụmụakwụkwọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: Echiche, Abụbọ ọrụ, ASỤỤ, Ụmụakwụkwọ

Mkpọlite

Mahadum nwere nnukwu ọrụ ọ na-arụ n' iwulite mmadụ, ime nchọcha na iwebata ihe ọmụmụ ọhụụ nke teknọlọji. Agụmakwukwọ na mahadum na-arụkwa ọrụ dị mkpa n'iwulitekwa mmadụ nke metụtakwara ọdị mma nke onwe mmadụ nakwa inwe oghere ibi ndụ ka mma. Ọ bụkwa na mahadum ka a na-enweta amamihe na akanka na-eme ka ihe mmadụ na-emepụta na-eto eto, ma na-agakwa n'ihu etinyewanye ezi ndụ n'ime mmadụ. Ụdị mbawanye n'otuto, nke ndụ ọma nwere ike idubanye mmadụ inweta ụzọ ọhụụ e si enweta ego nke nwere ike ịhazi akụ na ụba obodo. Isa na Alao (2016) kọwara Mahadum ka ebe a marala dị ka ebe

agụmakwụkwọ, nkụzị, ime nchọcha nakwa mwulite akanka mmadụ na-ewere ọnọdụ n'ezigbo ala ebe aga-azụpụta ndị ga-abụ ndị ndu n' ọdịnihu. Sistem mmụta na Naịjirịa nwere ogo agụmakwụkwọ atọ. Ha bụ ụlọ akwụkwọ praịmarị, nke sekọndịrị na nke ogo dị elu. Mmụta nke ogo dị elu bụ agụmakwụkwọ nke dị elu, ebe a na-azụpụta ụmụakwụkwọ ka ha bụrụ ndị nwere ikikere n'ebe mgbadoụkwụ agụmakwụkwọ n'ụdị ọ bụla dị.

A bịa na Naịjirịa, agụmakwụkwọ n'ogo dị elu gụnyere ndị Kọleji keedukeshọn, ndị Pọliteknik na Mahadum nke ọ bụ ya kacha dị elu n'ime ha. Nchọcha a gbadoroụkwụ na Mahadum. Mahadum na-emejupụta ihe e jiri mara ọdịnihu, nke bụ ebe a na-enweta nzuruoke amamihe, ezi nchọcha na ịzụpụta ndị ọchịchị echi. Ya bụ na mgbe Mahadum na-arụ ọrụ bụ mgbe ọ na-arụ ọrụ inyefe amamihe bụ ihe e jiri mara ya, ma ọ bụrụ na a na-elekọta ya anya nke ọma. Ma ọ bụrụ na ndịisi ọrụ nlekọta dị n'aka emeghi nke a, ndị ọrụ ya ga-enwe nsogbu; mgbe ahụ ọgbaaghara adaa, nke ga-ebute ihe ndaghachịazụ n'inyefe amamihe ahụ. Na mahadum,e nwere otu ndị ọrụ abụọ mejupụtara ya, na-arụ ọrụ n'ime ya. Ha bụ otu ndị na-akuzi akụzi a kpọrọ 'Akademik stafụ yunịọn nke unịvasịtị' (ASỤỤ) n' aha ịchafụ na ndị anaghị akụzi akụzi a kpọrọ 'Nọnụ Akademik stafụ yunịọn'(NASỤ) n' aha ịchafụkwa. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na ndị nkụzi bụ ASỤỤ. Aha a bụ ASỤỤ ka e jiri mara ha. ASỤỤ bụ otu na-ekwuru ndị nkụzi ọnụ ha n'ihe ọ bụla metụtara adịm na mma ha. Ndị otu ASỤỤ a sitere n'otu mbụ ndị nkụzi a nweburu pụta bụ "Nigerian Association of University Teachers" (NAUT). Ọ bụ n'afọ 1965 ka a chịkọbara otu a ma ka o ruru n'afọ 1978, ASỤỤ si na ha kewapụ onwe ha ma guzoro n'onwe ha ruo taa (Monogbe na Monogbe, 2019). Ndị otu ASỤỤ na-ekwuchitere ndị ya ọnụ ha ma na-anapụtara ha oruwere ha na ikikere ha n'aka ndị gọvment. Ndị otu a na-agakwa n' ihu, ihu na e nwetara ezi agụmakwụkwọ na Naịjirịa. Ha na-agbanụsike dị ka otu ndị ọzọ ihu na ọ dịịrị ndị otu ha mma, nwe nchekwebe ọrụ nakwa mkpuchite ezigbo gburugburu arụmọrụ. Na Naịjirịa dị ka ọ dị na mba ụwa ndị ọzọ, ọ dị ụzọ ndị otuga si anapụta ndị isi ha oruwere ha ma ọ bụ mkpa ha na-abụghị ụzọ ziri ezi, dị mma ma ọ bụ tọọ ụtọ ndị otu kwesiri iji anata ihe bụ mkpa ha nakwa ihe ha matara nke ọma bụ gọvment imejupụta nkwa ha kwere na-abụghị na mmanye. Nke a kpatara e jiri nwee otu dị iche iche nakwa abụbọ ọrụ dị iche iche ha gbara n'afọ dịkwa iche iche dị ka abụbọ ọrụ ụmụ akwụkwọ, abụbọ ọrụ izugbe, abụbọ orụ ọmịiko, abụbọ ọrụ akụ na ụba na abụbọ ọrụ ikike (Sule, 2015). Ọ bụ otu ụzọ ahụ ka ASỤỤ sikwa agba abụbọ ọrụ,

iji napụta otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ n'aka ndị gọvmenti Etiti. Nke pụtara na mgbe ọ bụla ndị ọrụ otu ọ bụla abụghị naanị ASỤỤ chọrọ oruwere ha, ọ bụ abụbọ ọrụ bụ asụsụ ha na-eji nke ndị gọvmenti na-anụ, nke a dịghị mma.

Abụbọ ọrụ bụ ịkwụsị ọrụ nwa oge nke ndị ọrụ iji mee ka ndị isi gbakerịa ala ma mere ndị ọrụ ihe ha na-arịọ n'aka ha. Abụbọ ọrụ bụ ụzọ nfufeisi banyere mmegbu na ntaram ahụhụ nke na-emetụta ndị otu a n'ahụ nke ha achọghị. Tahir (2013) kọwara na ndị otu dị ka ASỤỤ na-agbakarị abụbọ ọrụ maka nkwalite ọnọdụ ndị ọrụ, ọnọdụ nkụzi, ọnọdụ ngwa eji eme nchọcha nakwa ka mahadum nwere onwe ha n'aka ndị gọvment. Isa na Alao (2016) kọwara abụbọ ọrụ dị ka nkwụsị ọrụ ndị otu ọrụ kpachara anya kwado, iji hụ na ndị isi meere ndị ọrụ ihe ha chọrọ. Ebumnuche agbam abụbọ ọrụ a bụ ịmanye ndị isi ka ha kwenyere ndị ọrụ na mkpa ha chọrọ ka e gbooro ha, ebe ha achọghị iji aka ha mejupụta nkwa ha kwere ma ọ bụ mejupụta ihe ha maara n'onwe ha na ọ bụ ihe iwu kwadoro na Naijirịa n'ihi na Naijirịa so na ndị nwere ikike maka otu na-ahụ maka ndị ọrụ na mba ụwa a na-akpọ "Intaneshọnal Lebọ ọganizeshọn" (Sule, 2015). A bịa n' abụbọ ọrụ ndị ọrụ na sistem mmụta mahadum Naijirịa, ọ na-emetụta agamnihu ụmụ akwụkwọ nọ na Naijrịa, ọ na-aghasa kalenda agụmakwụkwọ ha, ọ na-adọtịkwa oge ngụcha akwụkwọ nwata nakwa emetụta ego nlekọta mahadum. E nwee nghọtahie n'etiti ndị nlekọta na ndị ọrụ, a na-eziga okwu ahụ n'aka ndị "Indọstrịal Abitreshọn Panel" maka idozi okwu na imezu ihe a chọrọ ebe ha enweghi ike idozi okwu ahụ n'onwe ha nke ọma. Abụbọ ọrụ agba agbagharịa nke ndị otu ASỤỤ na nso nso a bụ maka ekweghi ekwe nke ndị gọvment imejupụta nkwa ha kwere ndị otu ndị a n'afọ 2009 banyere ọnọdụ arụmọrụ, ụgwọ ọnwa na ụgwọ awufuga nakwa ego ndị UNESCO wepụtara maka nnwere onwe Mahadum.Ọ bụ ya mere na ndị otu a jiri hara ịgba abụbọ ọrụ ebe ọ bụ naanị asụsụ ndị gọvment na-anụ, mgbe e kwugidere ma o kweghi okwukwu ime ihe ndị ọrụ na-arịọ, ụsa ya abụrụ onye agaziịla ọrụ.

Mahadum dị na Naijirịa enweela oke ndọghachiazụ n'agụmakwụkwọ maka agbacha agbagharịa abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ kemgbe ha nọọrọ onwe ha n'afọ 1978. Otu a agbala abụbọ ọrụ ihe ruru ugboro iri abụọ n'ise n'ọnụọgụ (25) ma ewepu ndị nke ha na-agba na chapta ha dịgasị iche iche (Olusegun 2014). Abụbọ ọrụ mbụ ASỤỤ gbara dịka Olusegun (2014) kọwapụtara bidoro n' afọ 1988 n'oge ọchichi ndị agha mgbe Gen. Gbadamosi Ibrahim Babangịda nke nweere otu afọ na ọnwa iteghete. Abụbọ ọrụ a gbadoro ụkwụ na ndozi ụgwọ ọnwa ndị otu a, ka e guzowe

mbịakọtaọnụ otu ndị gọvment Etiti na ASỤỤ ga-ahụ maka nnwere onwe mahadum. Ọ bụ na mgbe ọnwa Ọgọst dị na mkpụrụ ụbọchị 7 n'afọ 1988 ka gọvment Etiti a mapụrụ ASỤỤ ma nara ya ngwa ọrụ ha ma machibido kwa ha dị ka Otu. Nke a mere ndị ASỤỤ jiri guzowe otu ọzọ a kpọrọ Univasitị Lekchọras Assosieshọn (ULA) ma na ha akwudosighi ike ka ASỤỤ dị ka (Monogbe & Monogbe, 2019) siri kọwapụta.

Ka abụbọ ọrụ a na-aga n'ihu, agụmakwụkwọ na Mahadum anaghịkwa aga n'ihu ọtụtụ ọnwa, nke bụ na a gbakọwa ọnwa ndị ahụ niile a gbara abụbọ ọrụ n'afọ niile a ghara ya rụrụ afọ atọ, agụmakwụkwọ agaghị etu o kwesiri n'ihi abụbọ ọrụ dị iche iche a gbagasịrị dị ka Olusegun, (2014) siri mee ka a mata. Nke a mekwara ka ụdị agụmakwụkwọ a na-enye ụmụakwụkwọ bụrụ nke atọghị atọ, nke ehighi aka n'anya kụzie, nke akụzitere na akụziteghi, ụmụ akwụkwọ aghọtara ma ha aghọtaghị mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ akpụzie afọ n'ala. Ha niile bụrụ nsogbu so abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ dị ka (Olusegun, 2014) kọwapụtara.

Ya mere Adamu na Nwogo (2014) jiri kwuo na agbacha agbagharịa abụbọ ndị ASỤỤ na Naijirịa ghasara kalenda agụmakwukwọ ndị ụlọakwụkwọ n'ogo dị elu, gbakwụnyekwa afọ n'afọ agụmakwukwọ. Ọ bụghị afọ nwata akwụkwọ tụrụ anya ọ ga-eji gụcha na mahadum ka o jizi gụcha. Nke a mere ka mmụọ ụmụakwụkwọ mahadụm jụzie oyi, ume dakwazie ha mba dị ka ha na-amalịkekwa agụmakwụkwọ ọzọ ka a gbachara abụbọ ọrụ.

Echiche bụ usoro ebe mmadụ matara ihe na-eme na gburu gburu ọ nọ na ya mgbe ahụ site n'ọgan echiche ya. Ugwu (2016) na Ede (2017) kọwara echiche dị ka mmapụ ebe mmadụ sitere na-akọwapụta ihe ma ọ bụ ebumnobi. Ọ bụrụla ihe a matara na umụakwụkwọ mahadum enweghi ezi echiche banyere abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ (Sule, 2015). Ihe ịma aka n'ihu ka ụmụ akwụkwọ mahadum na-enweta maka abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ. N'ezie okwu, ụmụ akwụkwọ mahadum zutere ọtụtụ ihe ima aka n'ihu n'iwulite mmụọ ịgụrụkwa akwụkwọ gawa n'ihu n'oge abụbọ ọrụ. Ndị otu ASỤỤ na ndị gọvment mere ka mmụọ ụmụakwụkwọ daa mba, n'ihi na ha jiri oge ndị a azọ maka ezigbo ụgwọ ọnwa, nnwere onwe nke mahadum, ezi nlekọta mahadum nakwa ihe ndị ọzọ. Ndị isi Otu ASỤỤ kọwapụtara na n'oge abụbọ ọrụ ndị ahụ, nke mere ka ụmụakwụkwọ nọrọ n' ụlọ, mekwara ka nkụzi naọmụmụ tụmadị ndị nọ Mahadum Nsụka laa azụ. Ọ bụ ya mere ka Ịsa na Alao

(2016) kwuo na ezi ọmụmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ na-enwere ọnọdụ mgbe ndị ọ dị n'aka rụrụ ihe cheere ha. Nke a pụtara na ezi ọmụmụ nwere ike ịdachị azụ mgbe e nwere nghọtahie n' etiti ndị ihe ọmụmụ dị n'aka; tụmadị mgbe otu otu emeghi ihe o kwesiri ime wee leda ikike otu nke ọzọ anya.

Ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị ndị nkụzị na ụmụ akwukwọ mkpa tinyere ezi ọmụmụ ihe dị ka Asụquọ na Ịnaja (2019) mere ka a mata. Ma ka o sila dị, nghọtahie n'ụlọ akwụkwọ mahadum na-adọchigha agamnihu agụmakwụkwọ azụ, ma na-emetụta ọmụmụ ihe ụmụ akwụkwọ mahadum n'ụdị ọ bụla n'ebe ọ dị njọ. Ya ka Odubela (2012) jiri kwubie na ezi ọmụmụ ihe na-enweta ezi mmeta nke ọma ga-enye aka ka a kụzicha ihe niile a mapụtara ịkụzi tupu ule amalite. Nke a n'ezie bụ nke agbacha agbagharịa abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ agaghị ekwe ka ọ bịa na mmezu. Ọchọcha a na-ekwu sị, na ndọghachịazụ nke abụbọ ọrụ na-ebute ngharịpụ, ọgbaaghara, trọọma, mmetụtan'ahụ na nke mmụọ, akwadoghị akwado n'akụkụ ụmụ akwụkwọ mahadum (maka ule ma ọ bụ nnwale n'ụdị ọ bụla) na e nweghi mkpalị nke mmụọ n'ihi na e nweghi ezigbo gburu gburu maka agụmakwụkwọ na mahadum dị na Naịjirịa, tụmadị nke Nsụka, bụ ọnọdụ anaghị enyere iwulite mmụọ ụmụakwụkwọ elu. N'agbanyeghi abụbọ ọrụ niile ndị otu ASỤỤ gbara, ha emere ka nsogbu dị na sistem agụmakwụkwọ Naịjirịa bịa n'isi njedebe? Ma, etu a sila dị, nchọcha a bụ iji nyocha echiche ụmụ akwụkwọ UNN gbasara abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ. Abụbọ ọrụ a gbacha agbagharịa metụtara ụmụ akwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka n'ebe ọ dị ukwuu.

Mahadum Naịjirịa, Nsụka bụ mahadum etiti dị na steeti Enugwu. Ọ bụ n'afọ 1955 ka Nnamdi Azikiwe guzowere ya ma gbakpee ya dị ka ebe agụmakwụkwọ n'afọ 1960 ka ọnwa Ọktoba gbara abalị asaa (7). Mahadum Naịjirịa bụ mahadum mbụ e nwere na Naịjirịa nke nwekwaara onwe ya. O nwere ngalaba abụọ. Otu bụ kampus dị n'Enugwu ebe nke ọzọ bụzi kampus dị na Nsụka. Mahadum dị na Nsụka na-ahụkwa maka agụmakwụkwọ ndị digrii mbụ nakwa digrii ndị dị elu. E nwekwara ọtụtụ fakọlti mejupụtara ya, ndị nwekara ọtụtụ ngalaba ndị nọ n'okpuru ha. E jikwa nchọcha nakwa ọrụ mmepe dị iche iche mata mahadum a. N'ihi nke a, nchọcha a lebara anya n'echiche ụmụakwụkwọ banyere abụbọ ọrụ a na-etu o si metụta nkụzị na ọmụmụ n'UNN.

Nsogbu nchọcha

Abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ na-emetụta ụmụ akwụkwọ n'ebe ọ dị ukwuu, n'ihi na ha na-atụ anya ịnata mmụta nzuruoke n'oge ọ bụla ma nke a anaghị abịa, maka na abụbọ ọrụ a na-anapụzị ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ nkụzị na ọmụmụ ihe karịrị ọnwa anọ gbagowe ruo ihe dị ka ọnwa iteghete nke na-aghasa kalenda agụmakwụkwọ afọ. Ndị isi akatọla abụbọ ọrụ a dị ka ihe adịghị mma n'ihi na ọ na-emetụta agụmakwụkwọ ụmụakwụkwọ. Federal ministri keedukeshọn chọpụtara na ọnụọgụ ụmụakwụkwọ na-ebelata na mahadum dị na Naịjịrịa, bụ ndị nke kwetara ịlaghachi gụrụ akwụkwọ gawa n' ihu maka na o mere ka ọtụtụ si n'ụlọakwụkwọ pụọ, ụfọdụ ụmụ agbọghọ tụrụ ime ebe ụfọdụ ndị ntorobịa banye ajọ "otu yahoo bọis" na-ezu ohi intanet. Ọzọkwa, bụ na abụbọ ọrụ a na-agbakwụnyere ụmụ akwụkwọ afọ, n'afọ agụmakwụkwọ ha nke na kọọs ndị e ji afọ anọ agụ bụzị afọ ise, oge ụfọdụ afọ isii. Nke a bụrụ ihe ndọchịgha azụ nye ụmụakwụkwọ. N'aka nke ọzọ, ndị na-enwe n'ọrụ na-eti mkpu na ụmụ akwụkwọ mahadum ala Naịjịrịa a na-azụpụtazị enweghi nka nakwa amamihe a na-atụ anya n'aka ha maka ọrụ n'ihi na akụzighiri ha ihe etu e kwesiri. Enwe na-azụpụta ndị etozuchaghị oke maka iru ụdị ọrụ ọ bụla. Nke a jọgburu onwe ya ma bụrụ ụsụ ahịa nyee akụ na ụba nakwa mmepe Naịjịrịa dị ka Monogbe na Monogbe (2019) tiri na mkpu. Ọ bụ n' ihi ya ka nchọcha a ji enyocha 'echiche ụmụ akwụkwọ Mahadum Nsụka, banyere abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ na nkụzi na ọmụmụ.

Mbunuche nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta echiche ụmụakwụkwọ mahadum Naịjịrịa, Nsụka banyere abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ. Mana mbunuche kpọmkwem bụ: inyocha echiche ụmụ akwụkwọ mahadum Naijịrịa, Nsụka banyere abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ na etu o siri metụta ihe nkụzi na ọmụmụ. Ịchọpụta etu abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ siri metụta akparamagwa ụmụakwụkwọ na mahadum Naịjịrịa, Nsụka.

Ajụjụ nchọcha

Ọ bụ ajụjụ nchọcha abụọ ga-edizi nchọcha a.

1. Kedu etu abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ siri metụta ụmụakwụkwọ mahadum Naịjịrịa, Nsụka na nkụzi na ọmụmụ?
2. Kedu etu abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ siri metụta akparaagwa ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjịrịa, Nsụka na nkụzi na ọmụmụ?

Ntụleharị agụmagụ

Ọtụtụ ihe na-ebutekarị abụbọ ọrụ ndị nkụzi dịka nsogbu ụgwọ ọnwa, ajọọ ọnọdụ nkụzi na ọmụmụ nakwa ekwem nkwa gọvment nke ha anaghị emejupụta nakwa ihe ndị ọzọ. Abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ abụghị taa ka ọ malitere na Naịjịrịa. Mgbe ọ bụla a gbara abụbọ ọrụ ụmụakwụkwọ, nkụzi na ọmụmụ na-ala azụ nke na-emetụta ihe ọmụmụ ụmụakwụkwọ.

Na tebul nke mbụ a, ọchọcha gosipụtara ugboro ole ndị otu ASỤỤ gbara abụbọ ọrụ malite n' afọ ha nweere onwe ha 1988 ruo n'afọ 2022 nke metụtara nkụzi na ọmụmụ.

Tebul I.
Nchịkọta Abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ malite n' afọ 1988-2022.

Afọ	**Ọnwa ole ha gbara abụbọ ọrụ**
1988-90	Ọnwa abụọ
1992	Ọnwa atọ
1993	Ọnwa iteghete
1996	Ọnwa isii
1999	Ọnwa ise
2001	Ọnwa atọ
2002	Ọnwa abụọ
2003	Wiki abụọ
2004	Ọnwa isii
2005	Abalị atọ
2006	Abalị atọ
2007	Ọnwa atọ
2008	Otu wiki
2009	Ọnwa anọ
2010	Ọnwa isii
2011/12	Ọnwa atọ
2013	Ọnwa ise
2017	Wiki atọ
2018/19	Ọnwa abụọ na abalị abụọ
2022	Ọnwa iteghete

Ebensịbịa: www.statisense.info ASỤỤ strike 2022

Site na ntụcha dị n'elu, malite n'agbata afọ 1988 ruo afọ 2022 ndị otu ASỤỤ na nchịkọta napụrụ usoro agụmakwụkwọ mahadum Nsụka afọ atọ. N'ezie otu ASỤỤ anọgideghi malite ịdị na-agba abụbọ ọrụ n'efu. Ọtụtụ ihe gbakọtara aka ọnụ bute abụbọ ọrụ ndị Otu a.

Ịsa na Alao (2015) kọwara na n'afọ 1980 n'ọnwa Disemba, ASỤỤ, tupu ha ekewapụ, mere ngagharị iwe banyere ndị otụ ha mmadụ isii (6) bụ ndị sinịọ stafụ sitere na Mahadum Legọs ndị onye bụ Onyeisi ndị Panel nleta n'oge ọchịchị onyeisi ala Naijiria bụ Shehu Shagari, aha ya bụ Jọstis Belọnwụ. N'oge ahụkwa, ASỤỤ jụrụ ajọ ọnọdụ nke SAP pụtara 'Strọkshọral Adjọstment Programụ banyere mbite ego nke ndị IMF nke ọchịchị Babangida wepụtara n'afọ 1986. N'afọ 2013 kwa, ASỤỤ gbara abụbọ ọrụ n'ihu na ndị gọvment ekweghi emejupụta nkwekọrịta dị n'etiti ha na gọvment. Mana, ọ dịzị ka ọnọdụ ASỤỤ akawanyezịrị njọ kemgbe ndị uwe agbada batara n'ọchịchị, malite n'oge Jen. Olusegun Ọbasanjọ (Ịsa na Alao, 2016) ruo taa.

Atụtụ Maksizim

Atụtụ Maksizim bụ atụtụ Karl Marx onye otu kọmunist tụpụtara n' afọ 1848. Isi okwu atụtụ a bụ ịkatọ sistem kapịtalizm bụ ndị nwere akụ na ụba n'erughi eru ya. N'echiche ya, ọ chọrọ ka sistem ahụ jiri aka ya gbuo onwe ya ma daa ka ndị ogo ogo ha dị ala a na-emegbu tụgharịa ma merie ndị isiukwu nọ n'isi, nara ha ọchịchị, lekọtawazie ụlọ ọrụ ndị ahụ n'onwe ha, ka ha nwee ike iwepu nkewa ahụ dị n'etiti ndị ukwu na ụmụ ogbenye. Mmadụ niile e wee hara nhatanha. Mana nke a ekweghi bịa dịka ọ tụrụ anya Ọ bụ ihe rara mmadụ ahụ na nghọta ihe banyere agụmagụ nke ọma ma ọ bụrụ na ebughi ụzọ mee ka ọ ghọta ọnọdụ dị iche iche a tọrọ ntọala ya n'agụmakwukwọ nakwa ogo ogo ndị mmadụ nọ n'obodo dị iche iche nọ. Atụtụ Maksizim ebe a na-eme ka aghọta na e nwere nkewa n'etiti ndị ọgaranya na ndị ogbenye. N'ihi ya ka Aleta, (2012) jiri na-akọwapụta na udị mmekọrịta dị n'etiti ndị otu abụọ ihe na-anaghị agazịrị etu ọ kwesiri maka akpam oke dị n'etiti ha. Nke a na-ebụte mmegbu ekwesighi ekwesi, nke na-ebuli otu ndị elu ma na-eweda otu nke ọzọ ala.

Na nchọcha a, atụtụ a na-egosipụta na ikikere ndị gọvment Etiti karịrị nke ndị ASỤỤ ha na-achịkwa, ha wee na-emegbu ndị ASỤỤ. Etu ahụ kwa, ka ikikere ndị nkụzi sikwa dị elu karịa nke ndị ụmụ akwụkwọ ha na- akụzịrị. Nke a mere na ọ

bụrụ na ndị gọvment etiti azọgide ndị nkụzi ụkwụ n'isi site na akwụghị ha ụgwọ ọnwa, ndị nkụzi n'onwe ha abọrọ ọbọ site n'agaghị klasị nke na-ezipụta abụbọ ọrụ. Ụmụ akwụkwọ ghọtara na ọ bụ onye rijuru afọ ga-akwụnwụ ọtọ na klasị kwuo okwu ọtụtụ awa ghara ịda. Abụbọ ọrụ bụ gọvment Etiti butere ya site na-emezughi ihe ndị ha kwesiri imere ndị nkụzi. Ha gbaa abụbọ ọrụ ma ngwa ngwa e mezuru ihe ndị e kwesiri ime abụbọ ọrụ anwụọ pịị.

Nchọcha e merela n'isiokwu

Sule (2013) mere nchọcha isiokwu ya bụ etu abụbọ ọrụ siri metụta agụmakwụkwọ ụmụ akwụkwọ nke ngalaba kọrikulum na instrọkshọn teknọlọji na kọleji ke edukeshọn Steeti Ekiti. Ndị ha jiri mee nchọcha a bụ ụmụ akwụkwọ niile nọ n'ogo ogo nke atọ ndị ruru puku ise. Nchọpụta gosiri na maka ọtụtụ mgbe ha nọrọ n'ụlọ n'ihi agbam abụbọ ọrụ, ọ metụtara ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na ha emeghi nke ọma n'ule mgbe ha mechara bido. Ha chọpụtara na ọtụtụ ihe banyere nkụzi na ọmụmụ na e kpokotara ihe niile ọnụ, ma na-ebe nkụzi ịchafụ ịchafụ ma nke ha nkụzichara ma ụmụ akwụkwọ aghọtaghị ma nke a si ka a gụọ n'onwe a gụghị. Ihe niile ghatọzịrị aghatọ. Nchọcha abụọ abụchaghị otu. Ha yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu banyere abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ ma ha eyighi n'ụzọ ndị ọzọ.

Omotere (2013) mere nchọcha n' isi okwu bụ abụbọ ọrụ ndị nkụzi mahadum gbara na Mahadum Naịjirịa dị na Steeti Anambra. Ndị o jiri mee nchọcha bụ ndị nkụzi dị iri anọ (40) n'ọnụ ọgụ na Mahadum ahụ. Nchọputa gosiri na ndị nkụzi gbara abụbọ ọrụ n'ihi ụgwọ ọnwa ndị gọvmenti Etiti ji ha, nke ha ekweghi akwụ. Nke a butere ọgịga ọrụ arụghị ọrụ (akụzighị na klasị). Nchọcha abụọ ndị a rụtụrụ aka n'abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ agbanyeghi ụdị abụbọ ọrụ ọ bụ. Ma ha abụghị otu. Nke a dị iche na nke ọchọcha na-eme ugbu a bụ echiche ụmụ akwụkwọ Mahadum UNN banyere abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ na mmetụta ya na nkụzi na ọmụmụ.

Monogbe na monogbe (2019) mere nchọcha n'ihe banyere abụbọ ọrụ na mmetụta ya na sistem agụmakwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ dị elu na Naịjirịa. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na Mahadum Naịjirịa dị na Pọt Hacọt dị na Steeti Rivas. Ndị ha ji mee nchọcha a bụ fakọlti nke management Sayensi dị narị iri ise (150) site na ngalaba anọ mejupụtara ya, nke pụtara narị isii (600). Ha chọputara na abụbọ ọrụ n' oge ọ bụla na-aghasa kalenda agụmakwụkwọ, adọghachiazụ nkụzi na ọmụmụ, ebute ume ịda mba n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ nakwa idubanye ụmụ akwụkwọ n' agwa

ọjọọ dị iche iche nke na emetụta agamnihu ha. Ha chọpụtarakwara na ndị gọvment anaghị elebanyere mkpa ndị otụ ASỤỤ anya, ọ bụ ya na-ebutere ha agba agbagharịa abụbọ ọrụ. Nchọcha abụọ ndị a yitere maka ha abụọ na-ekwu maka abụbọ ọrụ na mmetụta ya n'agụmakwụkwọ ma ha dịtụ iche ebe nchọcha, ụdị n'ihi na nke ọchọcha na-eme ugbu a bụ echiche ụmụ akwụkwọ UNN banyere abụbọ ọrụ na mmetụta ya n' ọmụmụ akwụkwọ.

Ọchọcha lebara anya na nchọcha mmadụ atọ merela. Ma ha eyitechaghi nke ọchọcha na-eme ugbu a.

Nchọcha a gbasoro usoro sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa bụ usoro na-akọwa njirimara mmadụ, ihe, ma ọ bụ emume. Usoro a dabara na nchọcha a maka na ọ na-akọwa echiche ụmụ akwụkwọ mahadum Nsụka nwere banyere abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ na-agba, ha gbacha ha agbagharịa.

Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ụmụ akwụkwọ niile nọ n'ụlọ akwụkwọ, ndị nọ na fakọlti iri na ise, nọ n'afọ ikpeazụ n'ụlọ akwụkwọ Mahadum, Nsụka.

Usoro nsere na nsere bụ etu ọmasịrị onye ka o nwee ike iwebatacha fakọlti niile dị na Mahadum Naijirịa, Nsụka n'ihi na abụbọ ọrụ otu ASỤỤ bụ ụmụ akwụkwọ niile ka o metụtara. Ọ gbasoro usoro tụm bọm tụm bọm wee họrọ ụmụ akwụkwọ mmadụ iri anọ na asatọ (48) sitere na fakọlti niile ndị a. Ngwa nchọcha ya bụ nke ọchọcha jiri aka ya mebe bụ ngwa nchọcha 'EUMNBAONOA-Echichie ụmụakwụkwọ mahadum Nsụka banyere abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ. O nwere ngwa nchọcha abụọ. Ngwa nke mbụ nwere ndịna iri (10) nke ọchọcha ga-eji anapụta ụsa n'ọnụ ụmụ akwụkwọ iri anọ na asatọ sitere na fakọlti iri na ise ndị ahụ. Njụmaza iri ahụ bụ ntụ Likert ka a ga-eji enye maakị nke nzipụta ha bụ Akara anọ (4) E kwesiri m ike, Akara atọ (3) e kwere m, Akara abụọ (2) A jụsịrị m ike ebe otu (1) akara bụ Ajụrụ m. Ndị ọkacha mmadụ atọ nyochara ngwa nchọcha ndị a. Mmadụ abụọ sitere na ngalaba mmụta nka ebe otu onye sitere na ngalaba sayensị. Ha nyochara ngwa iji hụ na ngwa nchọcha ndị ahụ dabara adaba ma tozue oke iji chọpụta etu abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ siri metụta ụmụ akwụkwọ mahadum UNN. Ọchọcha ga-esite na njụmaza iri ndị ahụ napụta ụsa n'ọnụ ụmụ akwụkwọ sitere na fakọlti iri na ise ndị ahụ.

Ụsa e nwetara na njụmaza iri anọ na asatọ (48) gbasoro usoro SPSS vashọn 25. E ji miin na ndịpụ n'izugbe tụchaa njụmaza m. A bịa n'ụsa njụmaza, ntụ ọ bụla karịrị 2.5 gbagowe bụ nkwe nke a nabatara dabara n'echiche ụmụ akwụkwọ ebe nke erughi 2.5 gbadawa bụ njụ nke adabaghị n'echiche ụmụ akwụkwọ.

Nchọpụta

Tebul 2

Echiche ụmụ akwụkwọ banyere abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ N48

Ọnụọgụ	Ndịna	X	SD
1.	Abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ na-ebute nghasa kalenda agụmakwụkwọ	3.90	1.01
2.	Abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ na-ebutere ụmụ akwụkwọ obi ịda mba n'agụmakwụkwọ	3.88	0.95
3.	Abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ na-ebutere ụmụ akwụkwọ ịdabanye na mpụ dị iche iche dị ka izu ohi, ịgba akwụna, yahoo na ndị ọzọ	3.73	0.99
4.	Abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ bụ maka naanị ọdị mma onwe ha	2.89	0.94
5.	Gọvment Etiti anaghị aña ntị na mkpa ndị ASỤỤ	2.54	0.91
6.	Ụmụ akwụkwọ kwesiri itinye onwe ha n'akaọrụ dị iche iche bara uru, ga-amịta kwa mkpụrụ n'oge a iji gbanahụ ọnwụnwa	3.37	1.06
7.	Ụmụ akwụkwọ kwesikwara itinye onwe ha n'agụmakwụkwọ nke onwe ka ihe ha mabụ ghara ifunahụ ha.	3.24	1.06
8.	Ụmụ akwụkwọ kwesikwara ịchịkọba onwe ha, na-enwe nkụzikọrịta nke onwe	3.11	1.05
9.	Abụbọ ọrụ na-agbatị afọ agụmakwụkwọ ụmụ akwụkwọ site n' ịgbakwụnyere ha afọ n'ọdị nihu, ha aghara ịgụcha mgbe o kwesiri	3.42	1.02
10.	Gọvment Etiti na ndị isi ASỤỤ enweghi ezi mmekọrịta na nkwekọrịta n'etiti onwe ha **Mkpokọta miin 3.37**	3.94	0.87

Site n'ihe ngosi dị na tebul nke abụọ, n'ime ndịna iri dị na ya nke malitere na miin 2.54 – 3.94 naanị abụọ nwere miin 2.54 na 2.89 nakwa ndịpụ n'izugbe bụ 0.91 na 0.94 ebe ndị ọzọ nwere miin malitere na 3.11 ruo 3.94 na ndịpụ n'izugbe bụ 1.05 na 0.87 ebe ndị ọzọ nwere miin malitere na 3.11 ruo 3.94 na ndịpụ n'izugbe dị elu nke gosiri na ụmụ akwụkwọ kwenyere n'ihe niile ahụ n'ihi na ha niile nwere 2.5 gbagowe. Nke a gosipụtara na n'echiche ụmụ akwụkwọ abụbọ ọrụ ndị ASỤỤ na-emetụta nkụzi na ọmụmụ ụmụakwụkwọ na mahadum Naijirịa, Nsụka.

Ajụjụ nchọcha 2

Etu abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ siri metụta akparamagwa ụmụakwụkwọ na nkụzi na ọmụmụ

Tebul 2: Ọsịsa miin ụmụakwụkwọ banyere akparamagwa ụmụakwụwọ

Ọnụọgọ	Ndịna	X	SD	Mkpebi
Ọtụtụ ụmụakwụkwọ ma ndị nwoke ma ndị nwaanyị n'ihi abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ dabara ajọọ akparam agwa dị iche iche		3.90		1.01 Nnabata
Ọtụtụ ụmụakwụkwọ ma ndị nwoke ma ndị nwaanyị nweziri mmụọ ịda mba ịgụrụkwa akwụkwọ gawa n'ihu		3.42		1. 02 Nnabata
Ọtụtụ ụmụnwaanyị lụụrụ di ma kwụsị agụmakwụkwọ n'ụzọ		3.88		0.95 Nnabata
Ọtụtụ ụmụakwụkwọ ndị nwoke gwuuru ojoro ntanet banye otu ọjọọ yahoo bọịs buruzie otooto ụgbọala yawa nke mere na uche ha adighịzi n'ọmụmụ ihe cha cha		3.94		0.87 Nnabata
Ọtụtụ ụmụnwaanyị kwa tụụrụ ime mkpuke kwụsị agụ-makwụkwọ ebe ụfọdụ ndị nwoke kwụsịrị agụmakwụkwọ maka oke akpịrị ego kwam kwam.		3.73		0.99 Nnabata

Mkpokọta Miin 3.87

Site n'ihe nchọcha a dị na tebul nke atọ, n'ime ndịna ise dị nay a nke ihe nweta malitere na miin 3.42-3.94, ha niile nwere miin dị elu na ndịpụ n'izugbe dịkwa elu

--0.87 --1.02 nke gosiri na ụmụakwụkwọ kwenyere na ndịna niile ahụ nke na-egosi na abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ metụtara akparamagwa ụmụakwụkwọ niile ma ndị nwoke ma ndị nwaanyị nọ na mahadum Naijiriạ, Nsụka na nkụzi na ọmụmụ n'ebe ọ dị ukwuu.

Nchịkọta nchọcha

Mbunuche nchọcha a bụ inyocha echiche ụmụ akwụkwọ banyere abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ dị ka o si gbasaa nkụzi na ọmụmụ ihe ụmụ akwụkwọ mahadum Naịjiriạ, Nsụka. Ọ bụ usoro sovee nkọwa, ka nchọcha a gbasoro, nke nwere ajụjụ nchọcha abụọ. Ihe a chọpụtara na-egosi na abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ na-emetụta nkụzi na ọmụmụ ihe ụmụ akwụkwọ n'ebe ọ dị ukwuu. Ọzọkwa, a chọpụtara na abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ na-emetụta akparamagwa ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị mahadum Naijiriạ, Nsụka.

Mmechi

Nchọcha a lebara anya n'echiche ụmụ akwụkwọ maka abụbọ ọrụ ndị Otu ASỤỤ na mmetụta o nwere n'agụmakwụkwọ ụmụ akwụkwọ mahadum Naịjiriạ, Nsụka. Ọzọkwa, ọ na-egosipụta na ụmụ akwụkwọ nọ na mahadum Naịjiriạ, Nsụka nakwa mahadum dum dị na Naịjiriạ atụfuola afọ agụmakwụkwọ ihe rurụ afọ atọ maka abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ. N' aka nke ọzọ, ọ na-egosipụtakwa na ndị gọvment Etiti tufukwara nnukwu ego maka mmụta nke lara n'iyi. Ahụhụ sitere n'abụbọ ọrụ ndị otu ASỤỤ ghasara ọtụtụ ihe. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ dapụrụ gharazie ịdị na-agụ akwụkwọ maka ego adighịzị, n'ihi na e nwekwaziri mgbatị n'oge agụmakwụkwọ; ụfọdụ ụmụ agbọghọ tụtara ime mkpuke ebe ndị nwoke tinyere aka na mpụ dị iche iche nke wetara agụmakwụkwọ ụfọdụ n'ime ha n'isi njedebe ebe ụfọdụ enweghizi mmasị ịgụrụkwa gawa n'ihu nakwa ọtụtụ nsogbu ndị ọzọ.

Aro

Ọchọcha tụnyekwara aro ndị a:

- Ka ndịisi ASỤỤ chọọ ụzọ ọzọ dị mma iji gosipụta iwe ha banyere etu ndị gọvment etiti si emeso ha omume banyere mkpa ha, ghara iji ụzọ abụbọ ọrụ ezipụta ya.

- Ka ndị gọvmenti Etiti mụta ịdị na-ege ndị Otu a ntị mgbe ọ bụla ha kpọrọ oku, ka ha gee ndị otu a ntị lebanye anya na mkpa ha ma kpazie ya ozugbo

nakwa nke ọma etu a ga-esi egbo mkpa ndị ahụ ka a ghara ịdị na-enwe nkwụsị, nkwụsị na sistem mmụta. Ihe dị etu a na-adọghachi agụmakwụkwọ azụ.

Nrụtụaka

Adamu, I. na Nwogo, A. (2014). Impact of academic staff union of Universities (ASUU) strike on quality of University education in Nigeria. *ATBU Journal of science, Technology and Education* 2 (2) *112-118*.

Aleta, S. (2012). Unplanned breaks affect students performance, dailypost.ng 24th Feb, 2024.

Asụquo, P. N. na Inaja, A. E. (2010). *Sociology of Education*, Calabar: Unical press.

Ede, M. O. (2018) Perception of teachers on the implementation of secondary school Economics curriculum in Enugu Education Zone of Enugu State. *International Journal of Economics Education Research*. 1(1) 15-27.

Isa, E. A na Alao, E. M (2016). Students perception of Academic staff Union of Nigeria Universities strike actions on their academic performance at the university of Ibadan, Nigeria. *Jounral of Capital Development* in *Behavioural Sciences* 4 (1), 2016.

Marx , K. (1948). Nigerian Union of Teachers' Strike: The beginning of wider movement? www.maxist.com 24th Feb, 2023.

Monogbe, B. O. na Monogbe, T. G (2019) ASUU strike and Nigerian educational system: An empirical investigation of the Nigerian tertiary institution. *American Jorunal of Social Sciences and Humanities*. 4(1), 56-67.

Sule, C. H. (2013). Effect of Strike Actions on Nigeria Educational System. *Iproject.com*.ng Retrieved 20th February, 2024.

Omotere, T. (2014). Effects of ASỤỤ strikes on the Academic performance of university students. M.Ed. Thesis, Ego Booster Books.

Odubela, S. (2012) Effective converage of subject syllabus before examination: a prerequisite for student better performance, Nations Newspaper, 35.

Olusegun, A. J (2014). ASUU strikes and academic Performance of student in Ekiti State University Ado-Ekiti. *International Jounral of Management and Business Research*, 4 (1), 19-34.

www.*statisenseimfoAsuustrike2022*.

Talur, H. (2013) ASUU strike and faltering University Education. www.varguardngr.com.Retrieved 27th Feb. 2023.

Ugwu, F. C. (2016). Development and Validation of an instrument for measuring teachers' perception of the impact of universal Basic Education Programme on the Cent-child Education. M. Ed Thesis faculty of Education. UNN.